# NZIPỤTA ỌNỌDỤ EZINAỤLỌ: NTỤCHA EJIJE OBIDIEBUBE ỤFỌDỤ

**Juliet Ifunanya Okeyika, PhD**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Faculty of Arts
Nnamdi Azikwe University, Awka
ji.okeyika@unizik.edu.ng

**&**

**Eze, Onyebuchi Sarah**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Faculty of Arts
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Ụmịedemede**

*Nchọcha a lebara anya na Nzipụta Ọnọdụ Ezinaụlọ: Ntụcha Ejije Obidiebube Ndị A Họọrọ. Ọ bụ ihe doro anya na ọnọdụ ezinaụlọ nwere ike ịbụ nke ọjọọ ma ọ bụ nke ọma, mana ndị mmadụ amaghị na n'ime ọnọdụ niile ndị a, na e nwere etu e si anafe na ha. Ebumnobi nchọcha a bụ izipụta ọnọdụ ezinaụlọ dị ka odee Obidiebube si gbaa ha n'anwụ, dị ka ileba anya na nsogbụ nwere ike ịdapụta n'ezinaụlọ, (amụtaghị nwa, amụtaghị nwa nwoke), etu akpachapụghị ọzụzụ ụmụaka anya si ebute ndọghachi maọbụ ntisa n'ezinaụlọ, etu nleghere ọrụ dịịrị nne ma ọ bụ nna si ebute ajọ ọnọdụ n'ezinaụlọ tinyere ihe ndị ọzọ. Nchọcha a bụ nke nkọwa. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ usoro ezinaụlọ nke Bowen wepụtara n'afọ 1950. Atụtụ a bụ atụtụ akparamaagwa mmadụ nke na-ahụta ezinaụlọ dị ka ebe e nwere mmetụta obi na njikọrọ, ma jirikwa echiche na-akọwapụta mmekọrịta dị ukwuu na-eme na ya. Ejije abụọ, ka a họọrọ mee nchọcha a nke bụ: Ọnọdụ Ugo na Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu. A chọpụtara na ezinaụlọ ọ bụla, n'otu oge ma ọ bụ n'oge ọzọ na-anọ n'ọnọdụ abụọ; nke ọma na nke ọjọọ. Ọzọ, a chọpụtara na odee akwụkwọ ndị a họọrọ, zipụtara ihunanya n'ime ejije ya ka ihe na-enye aka eme ka ezinaụlọ ọ bụla kwudosie ike na nsogbụ ọ bụla dakwasara ha. Nchọcha a ga-enyere onye ọ bụla nwere ezinaụlọ aka ịhụta ọghọm na-adịịrị ndị na-ebute esemokwu n'ezinaụlọ. Ọ ga-emekwa ka ndi ọgụụ na-enwe mmasị ịgụ akwụkwọ ejije ma chọpụta ihe miri emi banyere ezinaụlọ. Ọzọ, ọ ga-enyere ndị abanyebeghị n'ezinaụlọ ma ọ bụ ndị na-akwado alụmalụ aka, ka ha mara na alụmalụ abụghị naanị ụtọ ka ọ na-atọ. Ndị nchọcha na-atụ aro ka ndị nwere otu nsogbụ ma ọ bụ ọzọ, ndị tinyere ezinaụlọ ha n'ajọ ọnọdụ, nabata mgbanwe na mmepe dị mma bataraala n'oge ugbua ma jiri ya gbanwee ọnọdụ ọjọọ dị n'ezinaụlọ ha.*

***Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ**: Ejije Igbo, Atụtụ Usoro Ezinaụlọ, Ezinaụlọ, Agụmagụ, Ntụcha Ejije, Alụmalụ*

## Ndubanye

Ezinaụlọ abụghị ihe ọhụrụ ma ọ bụ okwu ọhụrụ na ndụ mmadụ maka na onye ọ bụla nwere ezinaụlọ ebe o si bịa. Ọnọdụ ezinaụlọ bụkwa nke a na-ahụta n'ime ezinaụlọ. Ọ bụ eziokwu na ihe gbasara ọnọdụ ezinaụlọ metụtara mba ụwa niile nakwa agbụrụ niile, mana akwụkwọ ndị a họọrọ gbadoro ụkwụ na ọnọdụ ezinaụlọ nke metụtara ala Igbo. Nke a mere ka ọnọdụ ezinaụlọ ndị nchọcha na-ezipụta n'edemede ha bụrụ ọnọdụ ezinaụlọ ndị Igbo. Ụfọdụ ọnọdụ ezinaụlọ ndị Igbo na-ahụta dị ka ajọ ọnọdụ abụchaghị ajọ ọnọdụ ma e leba ha anya nke ọma, dị ka ọnọdụ amụtaghị nwa nwoke ma ọ bụ ịmụta naanị ụmụ nwaanyị n'ezinaụlọ. Ọnọdụ ezinaụlọ nọ na ya na-enwe nnukwu mmetụta na ndụ ndị mebere ezinaụlọ ahụ. Ọnọdụ ezinaụlọ nọ na ya nwere ike bụrụ nke ha ji aka ha kpatara onwe ha ma ọ bụ nke ije ụwa tinyere ha na ya. Ọtụtụ mgbe ọnọdụ ezinaụlọ na-emetụtakwa obodo ezinaụlọ ahụ bi n'ime ya. Ya bụ na ezinaụlọ nọrọ n'ezigbo ọnọdụ, obodo ana-aga n'ihu etu o kwesiri mana ọ na-ada tigbuo zogbuo n'ezinaụlọ, ndị obodo atọọ n'igbo ọgụ na ikpe ikpe ezinaụlọ. Ihe gbasara ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya ka anyị ga-ahụta na nchọcha a.

Ọ bụ n'agụmagụ edereede ka isiokwu nchọcha a gbadoro ukwu na ya. Ndị nchọcha si n'akwụkwọ odee Obidiebube ndị a họọrọ wee zipụta ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya. Ọnọdụ ezinaụlọ ndị ahụ nwere ike bụrụ nke dị mma ma ọ bụ nke n'adịghị mma ịnọ. E sitere n'agụmagụ ederede *Ọnọdụ Ugo* na *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* wee gbaa ọnọdụ ezinaụlọ ndị ahụ n'anwụ. Ezinaụlọ dị ka ọkpụrụkpụ okwu n'isiokwu a, bụ nke na-amalite mgbe alụmalụ malitere, ọ bụ nke di, nwunye, ụmụaka na ndị otu ọbara jikọtara mejupụtara. Ekwealor (1998) kọwara na ezinaụlọ bụ ewumewu nwere nnukwu ọnọdụ na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ site n'agụmagụ ederede ndị a họọrọ ka e si gosipụta ọnọdụ ezinaụlọ dị iche iche ma nke ọma ma nke ọjọọ nakwa ihe ndị nwere ike ibute ọnọdụ ndị ahụ. Ọ bụ iji gbazie ma kwalite ọnọdụ ezinaụlọ mere nwanchọcha jiri họọrọ isiokwu dị etu a, iji gosi ndị na-akwado ịbanye n'alụmalụ ma ọ bụ ịmalite ezinaụlọ nke ha na ọ bụghị mgbe ọ bụla ka ezinaụlọ na-atọ ụtọ.

**Nkọwa Okwu ndị Gbara Ọkpụrụkpụ**

N'ebe a, a ga-eleba anya n'okwu ndị ahụ dị ezigbo mkpa ndị mmadụ kwesiri ịmata gbasara isiokwu ọrụnchọcha a.

**Agụmagụ**

Agụmagụ bụ ụzọ ndị odee sị ezipụta ihe na-arụtụ aka na ndụ ma ọ bụ ihe anyị nọ n'ime ya. Ọ ga-abụkwa nke sitere n'ekere uche mmadụ wee pụta. Nkenụụdị agụmagụ gụnyere; akụkọ, ejije na abụ. Nkọwa dị iche iche ka ndị ọkammụta nyerela banyere agụmagụ: Emenyọnụ (1978) kọwara agụmagụ dị ka enyo nke ndị obodo ji ahụta ụwa, echiche ime obi, nke ha ji akọwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya, omenala ha, usoro ọchịchị ha, akụ na ụba ha na ihe ndị ọzọ metụtara ha mgbe dị iche iche nakwa ebe dị iche iche.

**Ejije**

Ejije bụ njiji agwa mmadụ nke a na-emekarị n'elu nkwago. Ọtụtụ ndị ọka mmụta enyeela nkọwa dị iche iche gbanyere ejije: Okebalama (2003) hụtara ejije ka "ijije ndụ " nke gosiri na ejije ji agwa na akparamagwa ezipụta ndụ dị n'elu ụwa. Onyekaọnwụ (2015) na nkọwa nke ya, kọwara agụmagụ dị ka ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta gbasara ndụ n'ime ụwa nke anyị na-ahụ anya na nke anyị anaghị ahụ anya. Ọ bụkwa nke e ji asụsụ n'ụzọ ekwuru n'ọnụ, edereede na mmegharị ahụ wee zipụta n'ụdị akụkọ, ejije ma ọ bụ abụ.

Ikeokwu na Onyejekwa (2009) kọwara ejije dị ka emereme nke ndị odee ji ejije agwa ma ọ bụ akparamaagwa ndị ọzọ, n'ihụ ndị nkiri n'elu nkwago ma ọ bụ ọbọm. Ya bụ na ejije bụ nke a na-emepụta n'elu nkwago ebe ndị nkiri ga-ahụ ihe niile ma si na ya nweta obi ụtọ nakwa ihe mmụta. Okafor (2004) kọwara ejije dị ka ụdị agụmagụ e mebere ka a na-emepụta na nkwago. Na nke a, mmadụ ga-ahapụ ụdị mmadụ ọ bụ wee ṅomie ma ọ bụ jee ije dị ka onye ọ na-eṅomi si eje na akparamagwa ya ndị ọzọ. E nwere ọtụtụ ejije dị ka ejije mgba, agha, mmanwụ, ofufe na ndị ọzọ. Ejije edereede dịka ọrụ nka, na-adị n'ụdị ederede. Ndị na-emepụta ụdị ejije a na-agụ akwụkwọ ejije ndị a ma mepụta ya n'ihu ndị nkiri, maka ihe mkpa obi ụtọ nakwa iji ya kuzie nkụzi. Nwadike (1992) kwuru na ejije bụ njije mmadụ na-ejije ekereke. O kwuru na ejije bụ ụdị agụmagụ e mebere maka nkwago na obom, ebe ndị na-emepụta ejije na-ewere ọnọdụ dị ka agwa. Igiligi na Ogenyi (2002) kọwara ejije dị ka ụdị nka, nke na-esite na mkparịta ụka na emereme ma na-akọwapụta ọchịchọ ụmụ mmadụ.

**Ezinaụlọ**

Ezinaụlọ na-amalite ozugbu e jikọtara nwoke na nwaanyị ọnụ dị ka di na nwunye. Site na mmekọrịta, ha mụwa ọmụmụ ma gbawanye ezinaụlọ ha. Nwata ọ bụla ha kutere ka ọ bụrụ nwa ha, bụkwa onye ezinaụlọ ha site na nkute. E nwere ọtụtụ nkọwa ndị odee nyereela banyere ezinaụlọ; Ekwealor (1998) nyere nkọwa ezinaụlọ na ezinaụlọ bụ ewumewu nwere nnukwu ọnọdụ na ndụ ndị Igbo, ọ bụ n'ezinaụlọ ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-amalite. O kwukwara na nghọta ndị Igbo gbasara ezinaụlọ dị iche na nke ndị ọcha. Na nghọta nke ndị Igbo, ezinaụlọ metụtara nne, nna, ụmụnne ndị nwoke na ndị nwaanyị mgbe ụfọdụ kwa, ọ na-emetụta ikwu na ibe dị iche iche

tinyekwara ndị ọzọ. Ọfọmata (2012) kọwara na ezinaụlọ bụ otu ọkpụrụkpụ ewumewu dị ọkpụtọrọkpụ n'ala Igbo. Ọ bụ Chukwu kere ụwa anyị bi n'ime ya, kee nwoke, kee nwaanyị. Ọ bụ site na njikọ aka ọnụ nwoke na nwaanyị na ibikọ ọnụ, ka e si enweta ezinaụlọ. Udechukwu (2013) kwuru na "ndị na-ewube ezinaụlọ bụ di na nwunye, site n'alụmdi na nwunye. Mgbe onye Igbo na-ekwu maka ezinaụlọ ya, ọ na-atụ aka na ụmụ ya, nne na nna ya, ikwu na ibe tinyekwara ndị niile jikọrọ site n'ọbara".

**Alụmalụ**

Alụmalụ bụ njikọta nwoke na nwaanyị iji wube ezinaụlọ. Agbụrụ ọ bụla nwere usoro alụmalụ nke ha, dị ka omenala ha siri dị. Ọ bụkwa nwoke na nwaanyị toruru ihe e ji mmadụ eme na-abanye n'alụmalụ n'ihi na alụmalụ abụghị nkụ e ji akpụka mma egbu ma ọ bụ ọkụ nwata na-agba agada wee na-anya. Okafọ na Ewelụkwa (2012:404) kọwara alụmalụ dị ka "njikọ nke otu nwoke na otu nwaanyị n'usoro omenala". Isidienu (2013) "alụmalụ bụ ewumewu dị iche iche nke e si na ya amụta ma na-azụlite ụmụaka n'ụzọ ọhaneze nabatara. Ọ bụ mbikọ ọnụ nke nwoke na nwaanyị bikọrọ site n'ụzọ omenala nke olileanya ha bụ na ha ga-esi na ya were mụtawa nwa, ma zụkwaa ụmụ ha mụtara". Nkọwa ndị a gosiri na alụmalụ bụ mbikọta ọnụ nwoke na nwaanyị n'ụzọ omenala siri kwadoo ya ma bụrụkwa nnukwu ihe nwere nsọpụrụ na ndụ ndị Igbo.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ atụtụ akparamaagwa mmadụ nke na-ahụta ezinaụlọ dị ka ebe e nwere mmetụta obi na njikọrọ, ma jirikwa echiche na-akọwapụta mmekọrịta dị ukwuu na-eme na ya. Ọ bụ ọnọdụ ezinaụlọ ọ bụla nakwa ndị mejupụtara ya ka mmetuta obi a na-ejikọta ọnụ. Ọrụ atụtụ a bụ inyọcha n'ebe ọ dị ukwuu, usoro mmekọrịta a na-enwe n'ime ezinaụlọ nke na-emetụta akparamaagwa mmadụ. Atụtụ a na-akọwa na ọ dị mkpa ịkọwapụta na e nwere mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ n'onwe ya nakwa n'etiti di na nwunye na ọha obodo ndị ọzọ. Hall (1981) kwuru na atụtụ a gunyere ihe ndị a; Alụmdi na nwunye bụ ihe na-eduba mmadụ n'inwe ezinaụlọ. Na mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ ọ bụla na ọha obodo bụ nke kwesiri ịna-enye obi aṅụrị n'agbanyeghị ọnọdụ ezinaụlọ ọ bụla nọ na ya, nke ọ bụla kwesiri ịnọ maka enyemaaka ibe ya n'abụghị ịkwa emo. N'ezinaụlọ, ọha obodo na omenala enweghị nke kwesiri imegide ibe ya n'usoro iwu ma ọ bụ n'ịchọ ihe nke onwe.

**Ntuleghar̄ị Edemede Nchọputa Ga**

Ụfọdụ ndị mmadụ emeela nchọcha metụtara ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya ma nke ọma ma nke ọjọọ.

Isidienu (2015) emeela nchọcha n'isiokwu ọ kpọrọ "*Family as the BedRock of Igbo Traditional Society*". N'edemede a, o bu n'obi ileba anya na ọtụtụ usoro nke ezinaụlọ na-agbaso n'ịzụlite mmadụ n'ebe o metụtara ndọrọndọrọ ọchịchị, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, akparamaagwa na ịchụ nta akụnaụba iji nweta obodo dị mma kwuru chim. Ọ chọpụtara na, ọtụtụ mpu na-emegasị n'obodo n'oge ugbua bụ n'ihi nleli anya na ndụ a na-ebi n'ezinaụlọ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ bụ ezinaụlọ dị mma, na-eme ka obodo dịkwazịa mma.

Ọnwụatuegwu (2020) mere nchọcha ọ kpọrọ "*The Notion of Family in Igbo Africa Society: A Philosophical Appraisal*". N'edemede a, ka o bu n'obi ịkọwapụta ezinaụlọ na nghọta ndị Igbo nakwa igosipụta ndịiche dị na etu ndị Igbo si ghọta ezinaụlọ nakwa etu ndị Bekee si ghọta ihe bụ ezinaụlọ nakwa ịgba mbọ kọwapụta ihe bụ ezinaụlọ na nghọta ndị Igbo site n'ịgbado ụkwụ n'ihe niile mejupụtara ya, nke mere o ji bụrụ ọ pụrụ iche n'ebe nke ndị ọzọ dị. Ọ chọpụtara na ezinaụlọ bụ ogo pekarịsirị mpe n'obodo. Ọ chọpụtakwara na ezinaụlọ dị ka akụkụ ahụ nye mmadụ, ma dị ọkpụtọrọ ọkpụ dịka mmadụ. Ọzọ, ọ chọputakwara na akparamaagwa na usoro obibi ndụ mmadụ na gbụrụgbụrụ ha ma ọ bụ obodo na-agba mgbọrọgwụ n'akparamaagwa na usoro obibi ndụ n'ogo ezinaụlọ. Nchọcha ya mere ka a mata na etu ndị Igbo si ahụta ezinaụlọ dị iche n'etu ndị Bekee si ahụta ya n'omenala nke ha. N'agbanyeghị na nchọcha a na-ekwu maka ezinaụlọ mana ebe mgbado ụkwụ ya abụghị n'ọnọdụ ezinaụlọ nwereike ịnọ na ya. Nke a mere o ji dị iche na nchọcha nke a.

Udechukwu (2016) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ "Iwulite Obodo Site n'ezi ọzụzụ Ụmụaka na Ntorobịa. N' ebe a, ebumnobi nchọcha a bụ irụtụ aka n'izụlite ụmụaka site n'usoro omenala ndị, bụ

ihe ga-enye aka mee ka ụmụaka baa uru n'ezinaụlọ na n'obodo n'ọdiniihu. Ezi ọzụzụ ụmụaka bụ nke kachasị dịịrị ezinaụlọ, nke a bụ maka na e nyeghị ụmụaka ezi ọzụzụ na-ebutere ezinaụlọ ịnọ n'ajọ ọnọdụ. Ọzọ, ịkọwa na enweghị ezi ntọala n'ezinaụlọ na-ebute ihe nhịahụ n'ịchịkwa na ịwulite obodo. Nke a bụ n'ihi ajọ akparamaagwa dị iche iche nke ndị enweghị ezi ọzụzụ na ezi ntọala n'ezinaụlọ na-akpa. A chọpụtara na agbụrụ dị iche iche n'ala anyị hapụrụ usoro omenala ha n'ihi mmepe, wee na-agbaso usoro ndị ọcha. A chọpụtara na, n'omenaala Igbo, ndị Igbo kwenyere na nwata ọ bụla a zụrụ nke ọma n'ezi usoro e si azụlite ụmụaka ga-abụ nwa ga-aba uru n'ezinaụlọ na n'obodo n'ọdiniihu. Nchọcha a dị iche na nke ndị nchọcha a, n'ihi na e jighị akwụkwọ agụmagụ were zipụta isiokwu ya, n'agbanyeghị na isiokwu ya bụkwa ihe gbasara ezinaụlọ.

Olekaibe (2021) mere nchọcha n'isiokwu ọ kpọrọ "Akwụdosighịike nke Alụmalụ: Ọnya Mmagbụ nye Ezinaụlọ". Ebumnobi nchọcha a bụ ịkọwa ka nwoke na nwaanyị ndị ejighị alụmalụ ha nọ na ya kpọrọ ihe nakwa a kwadoghị akwado tupu a banye n'alụmalụ siri bụrụ ihe na-ebute ọtụtụ ọnọdụ ọjọọ nke ọtụtụ ezinaụlọ nọ na ya, na-ebutekwazịa nsogbu n'obodo. Maka na adịghị mma ezinaụlọ bụkwazị adịghị mma obodo.

Ọ chọpụtara na a kwụdosighịike nke alụmalụ na-ala ezinaụlọ n'iyi maka na ezinaụlọ ebe di na nwunye na-ejighi alụmalụ ha kpọrọ mkpa na-anọkarị n'ọnọdụ ọjọọ. Ọ chọpụtakwara, ụfọdụ ụzọ e nwereike isi gbochie ajọ ọnọdụ a n'ezinaụlọ. O doro anya na, ebe mgbado ụkwụ nchọcha a bụ gbasara alụmalụ nke e si na ya amalite ezinaụlọ na etu akpọghị alụmalụ mkpa si nweike ibutere ezinaụlọ inọ n'ọnọdụ ọjọọ. N'agbanyeghị na isiokwu a metụtara isiokwu nchọcha a, mana isiokwu nchọcha a, gbasara ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwereike ịnọ na ha, nke akwụdosighịike n'alụmalụ bụ otu n'ime ihe ndị ahụ nwereike ibutere ezinaụlọ ịnọ n'ụdị ọnọdụ ọ nọ na ya, w.d.g.

## Nzipụta Etu Obidiebube Siri Gbaa Ọnọdụ Ezinaụlọ n'*Ọnọdụ Ugo* n'Anwụ

N'ịgbado ụkwụ n'akwụkwọ ejije *Ọnọdụ Ugo,* nke Obidiebube dere, e gosipụtara usoro obibi ndụ ezinaụlọ na mmetụta ya n'ebe ọ gbasara ọnọdụ dị iche iche ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya. Usoro ndụ ezinaụlọ na-arụtụ aka n'ụdị ọnọdụ ezinaụlọ nọ na ya. Ọnọdụ ezinaụlọ nwere ike ibu site n'ụdị agwa ndị ezinaụlọ ahụ na-akpa ka ha ji nọrọ n'ọnọdụ dị etu ahụ. Oge ụfọdụ, ọ bụrụ ije ụwa ha hụtara onwe ha. Ọnọdụ ezinaụlọ ndị e zipụtara n'ejije a gunyere:

### Ọnọdụ Amụtaghị Nwa

Ọmụmụ so n'isi ihe na-emebe ezinaụlọ ka o zuo oke dị ka ezinaụlọ. Mgbe nwoke lụchara nwaanyị, ndị mmadụ, tumadụ ndị Igbo kwenyere n'isi alụmalụ ọ bụla bụ ka e wee malite ezinaụlọ nke ha, nke ọ bụ site n'ọmụmụ ka ha ga-esi too ma zuo oke dị ka ezinaụlọ. Ndị na-emebe ezinaụlọ ọ bụla bụ nna, nne na ụmụ ha. Ọmụmụ bụ ngọzi pụrụ iche sitere n'alụmalụ, bụrụkwa ụzọ ezinaụlọ na agbụrụ si agbawanye. Ọ bụkwa ihe a na-agọrọ di na nwunye n'ọfọ. N'ihi mkpa a kpọrọ ọmụmụ n'ezinaụlọ, ya mere na mgbe nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụ ọ na-abụrụ ezinaụlọ na ikwu na ibe na ndị enyi ya nnụkwụ ihe ọṅụ, nke na ọtụtụ mgbe di nwaanyị ahụ na-akpọ oriri na ọṅụṅụ iji gosi etu obi di ya gbasara ihe ọma mere n'ezinaụlọ ya. Ọ bụrụ ezinaụlọ chọrọ nwa ọtụtụ afọ wee meecha mụta nwa, ọkachasị nwa nwoke, ọ na-abụrụ ezinaụlọ ahụ nnukwu mmemme na ihe inye Chukwu ekele maka ngọzi nke ọmụmụ mechara bata n'ezinaụlọ ahụ. Ọtụtụ mgbe ọ bụkwa site n'ụdị aha a bara nwa ha, ka e ji egosipụta etu obi dị ha. Ọmụmụ adịghị fechaa mana ọ bụ ihe ọma. Ya mere na ọtụtụ egwu ọma dị iche iche bụ ndị a na-agụ mgbe nwaanyị mụrụ nwa. Odee zipụtara nke a n'ejije a, mgbe Amaka Okonkwọ mechara mụta nwa (Ihu 50)

Ọ bụghị ma nwa o
Onye ga-enye m
Ọ bụghị ma nwa o
Onye ga-enye m
Akpatị akwa o
Onye ga-enye m
Ukwu jiọjị
Onye ga-enye m...

Ezinaụlọ n'amụtabeghị nwa ọtụtụ afọ n'ime alụmalụ, bụ ezinaụlọ a na-ahụta ka ndị nọ na ọnọdụ amụtaghị nwa. Ọtụtụ mgbe ọnọdụ amụtaghị nwa abụghị site na mmasị nke onwe kama o nwere ike bụrụ n'ihi otu ajọ ọnọdụ ma ọ bụ nke ọzọ, nweike bụrụ site na nsogbu ahụike ma ọ bụ site na nsogbụ ndị ọzọ.

Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, odee zipụtara na, ezinaụlọ n'amụtaghị nwa bụ nke a na-ahụta dị ka ezinaụlọ nọ na ọnọdụ ọjọọ. N'ime ezinaụlọ dị etu a, ọ bụ ụmụnwaanyị ka ihe gbasara amụtaghị nwa kacha eri nri n'ahụ. Nke a bụ n'ihi na, ọ bụ ha ka nleda anya na mkparị niile gbasara ọnọdụ a, kacha agara. Ọ bụkwa ha, ka ndị mmadụ na-elegara anya ọtụtụ mgbe dị ka ndị nsogbụ a si n'aka. Ihe ndị a niile mere na ụmụnwaanyị na-ebukarị ihe gbasara mgbagharị ịchọ nwa n'isi. Mgbagharị maka ya bụ ọnọdụ, ịtụtara di ha arọ maka ụzọ dị iche iche ha chọputara isi gbanwe ya bụ ọnọdụ, ibesara chi ha akwa n'ụlọ ekpere dị iche iche nakwa iji ákwá mere ụra abalị bụ ụzọ, e si egosipụta mwute ha gbasara ya bụ ọnọdụ nakwa mmasị ha ịmụtara di ha nwa. E kwenyekwara na nwoke nwere ike ịlụrụ nwaanyị mgbe ọmụmụ na-ahịa nwunye ya ahụ. Naanị ụmụnwoke hụrụ nwunye ha n'anya ma kwenye na ọmụmụ bụ ihe si n'aka Chukwu abịara di na nwunye, bụ ndị nwere ike ghara ịlụta nwaanyị ọzọ. Odee zipụtara na ndị ọcha na ndị oji esighị otu ụzọ ahụta ọnọdụ amụtaghị nwa, n'ebe ndị oji nọ ọ bụ nnukwu nsogbu dịịrị ezinaụlọ. Mana ndị ọcha nwere ike kpebie na ha agaghị amụta nwa ọ bụla n'alụmalụ ha. N'oge gboo ma n'oge ugbua, ha ka na-ahụta ọmụmụ dị ka isi ihe e ji amalite alụmalụ, mana e lezie anya n'oge taa, ọ dịghịzị n'ụdị ahụ n'ihi mmepe bataraala n'obodo. N'agbanyeghị nke a, ọtụtụ ka jisikwa nkwenye ha gbasara alụmalụ na ọmụmụ nke ezinaụlọ. Ọnọdụ amụtaghị nwa n'ezinaụlọ abụghị kwanụ ihe na-adịgịde, maka na ọtụtụ afọ gasịa, Chukwu nwere ike gozie ezinaụlọ dị etu a gbanwere ha ọnọdụ amụtaghị nwa ha nọ na ya. Oge ụfọdụ ọnọdụ amụtaghị nwa nke ezinaụlọ na-adịgịdekwa. Mgbanwe ọma dị iche iche bataraala n'oge taa emeela ka e nwe ma chọpụtaa ọtụtụ ụzọ iji sobe ya bụ ọnọdụ ma gbanwe ya. Ikute nwa n'ogige ebe a na-edobe ụmụaka ndị enweghị nne bụkwa otu n'ime ụzọ ndị ahụ. Nke a nwekwara usoro a na-agbaso tụpụ e kunye ndị ahụ na-achọ nwa ya bụ nwa. E nwekwara usoro nke ndị Bekee kpọrọ "IVF" nakwa ọtụtụ ọgwụ dị iche iche ma nke Igbo ma nke Bekee ndị e ji enyere ụmụnwaanyị ndị na-achọ nwa aka ịmụta nwa. Ndị ozi Chukwu dị iche iche bụkwa ndị na-esi n'ụzọ ekpere nyere ụmụnwaanyị na-achọ nwa aka ịmụta nwa. Ya bụ na ezinaụlọ mee ihe ndị e kwesịrị ime ma were ezi usoro sobe ya bụ ọnọdụ na ha nwere nnukwu ohere na ọnọdụ amụtaghị nwa ha ga-agbanwe. N'akwụkwọ ejije *Ọnọdụ Ugo* odee zipụtara ọnọdụ amụtaghị nwa n'ezinaụlọ Okonkwọ. Etu Amaka Okonkwọ siri jiri akwa arịrị mere ụra abalị n'ihi na ọ nọrọla afọ anọ na be di n'amụtaghị nwa. Okonkwọ dị ka nwoke hụrụ nwunye ya n'anya, na-akasị ya obi na-agwa ya okwu agbamuume mgbe ọ bụla, na-akwadokwa ya na mgbagharị gbasara ọmụmụ. (Ihu 14)

**Amaka**: Eeee! ọtụtụ ụmụnwaanyị ndị ọzọ mụ na
ha bịakoro ije amụọla nwa. O nwebeghị nke m
mụrụ...

**Okonkwọ**: … ihe ị kwuru. Ị bụghị nwaanyị aga...

**Amaka**: Ọ bụ na ị chetaghị na ọ bụ mụ na Ọbịageli bịakọrọ ije di n'obo Ngodo Ugwueke?...

**Okonkwọ**: Amaka, Ọ gwụchaala ihe na-eme gị akwa?

**Amaka**: Ị na-ajụ m ma ọ gwụchaala ihe na-eme m akwa?
Kedu nsogbu ọzọ m na-enwe n'ụwa a, ga-akarị na
m atughị atụ nke m ji amụ amụ? Ọ bụrụ...

**Okonkwọ**: Ọ bụrụ gịnị? Biko gee mụ ntị. Ọ bụ mụ bịara lụrụ
gị. Ọ dịkwa m mkpa ka ị mụọrọ m nwa mana ọ
bụghị n'ọkụ n'ọkụ

**Amaka**: Agaghị m eso gị na-eche etu ahụ n'ihi na oge
nwaanyị na-aga aga...

Ọnọdụ amụtaghị nwa bụkwa nke e zipụtara na ndụ Ngọzi, nke mere ka o jee n'ebe a na-ekute nwa, kute Nkechinyere. (Ihu 127)

**Ngọzi:** (*Na be Obiora)* Obi, I lee anya
Ị hụ na m na-agbada mgbada kwa ụbọchị.

Abụghịzi m nwata. Emeela m ọtụtụ ihe,
Ọtụtụ ihe emekwaala na ndụ m.
Achọrọ m onye ga-ele m nka.

**Obiọra:** Aaa! Nke ahụ abụghị nsogbu.
Mụ na ezinaụlọ m nọ gị nso mgbe niile...
Ọ bụrụ na ị chọrọ, ị kpọrọ Anaezichihe
gị na ya ebiri.

**Ngọzi:** Ihe ndị ahụ ị kwuru dịgbado mma ma
bụrụgbado eziokwu, mana o nwere ihe m
chọrọ ka ị mata. Achọrọ m nwa nke m.
Ebe ọ bụ na amụtaghị m nwa maka ihi na
alụghị m di, achọkwanụghị m ịmụ nwa enweghị nna...
Achọrọ m ime *'adoption'* ya bụ na achọrọ m ikute nwa...

(Ihu 139) *(N'ogige ebe a na-azụ ndị enweghị nne. Ngọzi gara n'ihu gaa kpọta nwa ahụ ha abụọ ebiri dị ka nne na nwa n'ụlọ ahụ ọ rụrụ)*

## Ọzụzụ Ụmụaka n'Ezinaụlọ

Ịmụta ụmụaka n'ezinaụlọ bụ ihe ọzọ ebe ọzụzụ ha bụ nnukwu ihe ọzọ na-esochi ọmụmụ ha. N'ihi na ọ bụghị nchịpụta ede bụ ọkụkọ, ihe kacha mkpa bụ inye ụmụaka ezi ọzụzụ. Mgbe alụmalụ malitere a tụrụ anya na ihe ọzọ ga-esochi ya bụ ọmụmụ, iji mee ka ya bụ alụmalụ zuo oke ma kwudosie ike. O kwesiri na tụpụ di na nwunye amalite ọmụmụ na ha ga-adị ezi nkwadobe maka ọzụzụ ụmụ ha ga-amụta. E lezie anya ọ bụghị kwanụ imụju ụmụaka ụlọ ka mkpa, kama ọ bụ izupụta ụmụaka ndị ahụ mmadụ, ka ha baara ezinaụlọ na obodo uru. Ezi ọzụzụ bụ nke e kwesiri inye ma nwa nwoke ma nwa nwaanyị. Mana ọtụtụ mgbe a na-eleda nwa nwaanyị anya ghara inye ha ọzụzụ kwesiri, nke a bụ n'ihi na ha kwenyere na nwaanyị bụ uru onye ọzọ. Ụwa emepeela anya n'oge ugbua, ya mere na ọ dịghịzị etu ọ dị mgbe ahụ. Odee mere ka a mata na ezi ọzụzụ bụ nke rụrụ ma ụmụnwoke ma ụmụnwaanyị n'ezinaụlọ maka na ihe ọma dị iche iche nwere ike isi n'aka nwaanyị bịara ezinaụlọ etu o nwere ike isi si n'aka nwoke bịara ezinaụlọ. N'agbanyeghị ma nwa nwaanyị ahụ o lụrụ dị ma ọ bụ na ọ lụghị. Ụmụaka nwere ezi ọzụzụ na-abụrụ ihe ọṅụ nyere ezinaụlọ ha ma bụrụ ndị e ji amaatụ n'ezinaụlọ ndị ọzọ. Ya bụ na onye ọ bụla na-ekpe ekpere ọmụmụ ga na-ekpekwazi ekpere ịmụta ụmụ dị mma ma dịkwa nkwadobe ịrụ ọrụ dịịrị ha. Enweghị ezi ọzụzụ na-eme ụmụaka iso ajọ ụzọ ma butere ezinaụlọ ahụ ihe ihere. Odee zipụtara na ọtụtụ ezinaụlọ bụ ndị nna na-ahapụrụ nne ihe niile gbasara ọzụzụ ụmụaka, nke a ekwesighị ekwesị, n'ihi na ọzụzụ ụmụaka adịghị feecha. Ọ bụghị ọrụ dịịrị otu onye ịrụ. Ọ bụ site na njikọta aka nne na nna nakwa ndị ezigbo mmadụ ndị ọzọ nọdebere nwata nso ka nwata si enweta ezi ọzụzụ.

Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, odee zipụtara na ọtụtụ mgbe na ọ bụ ụdị omume nne na nna na-eme n'ezinaụlọ na-emetụta ụdị ọzụzụ ụmụaka nwere. Ya bụ na, ndị nne na nna ga na-akpachapụ anya n'ụdị agwa ha na-akpa n'ihu ụmụaka ha, ọkachasi mgbe ha ka na-azụlite ụmụaka ha, n'ihi na ụmụaka na-amụta ma na-eṅomi ihe ndị a hụrụ na nne na nna ha na-eme. Agwa dị ka: ịkọ onwe ha ọnụ ma ọ bụ ịkọ ndị ọzọ ọnụ n'ihu ụmụaka ha, ilu ọgụ nakwa ajọ akparamaagwa ndị ọzọ n'aka nne na nna nwere ike ịmetụta ọzụzụ ha na-enye ụmụaka ha n'ezinaụlọ. Odee zipụtara na ọrụ gbasara ọzụzụ bụ nke a na-ahụta dị ka ihe kacha dịịrị ndị nne n'ihi na e kwenyere na ọ bụ ezigbo nwaanyị na-amụta ma na-azụpụta ezigbo ụmụaka n'ezinaụlọ. Mgbe nwata na-eme ezi omume a na-asị na o yiri nna ya, ma mgbe ọ naghị akpa ezi agwa a si na o yiri nne ya. Nke a gosiri n'ụta kacha adịịrị ndị nne mgbe ụmụaka na-eme ajọ omume. Ya mere na, ndị nne kwesiri ka ezi ọzụzụ ụmụaka ha bụrụ ha ihe ha kpọrọ nnukwu mkpa. N'agbanyeghị nke a ndị nna kwesiri na ha ga na-enye ndị nwunye ha ezi nkwado iji wee zụlite ụmụaka nke ọma ma mee ka ezinaụlọ dị mma, n'ihi na ọ bụ e nyere akwụ aka o wee gbaa mmanụ. Ọghọm dị iche iche bụ nke na-esi n'aka ụmụaka n'enweghị ezi ọzụzụ abịara ezinaụlọ ha; ihe ha nwere anaghị ezuru ha, ha anaghịkwa ama nwanne ha, ọ bụkwa ụmụaka dị etu a na-akpa ajọ nkata kpagide ụmụaka ibe ha, ha anaghị anụrụ onye ọ bụla okwu ndụmọdụ, ha na-ebutere ndị nne na nna ọbara mgbali elu bụrụkwa nnukwu nsogbụ dịịrị ezinaụlọ na obodo ha. Ụdị ụmụaka dị etu a na-ebutere onwe ha ihe ntaramahụhụ n'ikpeazụ, oge ụfọdụ a chụpụ

ha n'obodo n'ihi ajọ akparamagwa ha. Nwata e nyere ezi ọzụzụ, ọ nara ya, na-emepụta ya n'omume, bụ nwata maara ihe, bụrụ uru dịịrị ezinaụlọ ya na obodo ya. Ọ bụkwa ihe ezinaụlọ na-agọ n'ọfọ, n'ihi na ịdị mma ụmụaka bụkwa ịdị mma nke ezinaụlọ ha. Otito na-agakwara ndị mụrụ ya. Ụmụaka inwe ezi ọzụzụ na-akwalite ezi ọnọdụ ezinaụlọ. Ụmụaka ndị e nyere ezi ọzụzụ bụkwa ndị n'anaghị echefu ezinaụlọ ha mgbe ha tolitere bụrụ mmadụ. Ụmụaka dị etụ a na-ewebata ihe ọma dị iche n'ezinaụlọ na obodo ha ma bụrụ ndị e ji ama atụ ihe ọma. Ya bụ na nwa ọ bụla a mụtara n'ezinaụlọ bụ nke e kwesiri inye ezi ọzụzụ n'eleghị anya ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị

Ihe ihere ụmụaka na-ebutere ezinaụlọ ha n'ihi enweghị ezi ọzụzụ na-emetụtakwa obodo ha. Esemokwu, ịlụ ọgụ na iwere ihe n'abụghị nke ha, ntaji anya na ekworo, bụcha ụdị ajọ agwa dị iche iche ụmụaka ndị a na-akpa. Odee zipụtara ihe gbasara ọzụzụ n'ejije a; ezinaụlọ Madụka Okonkwọ na Amaka Okonkwọ bụ ndị e ji ama ezi atụ n'obodo ha bụ Ngodo Ugwueke n'ihi ezi ọzụzụ ha nyere ụmụaka ha nakwa ezi omume ha na-eme nke ndị mmadụ na-ahụta. (ihu 56)

**Ọkịka**: Ọ bụ na ọ bụghị nwaanyị ibe gị na-agbanwe ọnọdụ
ezinaụlọ ya. Lee ihe Amaka mere na ndụ Okonkwọ
n'ezinaụlọ ya. Ezi nwaanyị amaka. Ọ na-aga ụka ọfuma,
na-azụ ụmụ ya nke ọma. Ụmụ anọ ọ mụtara bara ụrụ.
Lee ada ya nwaanyị, ọ na-eme ezigbo omume, na-ama
akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ.

**Uchenna**: ...Amaka ị na-ekwu bụ di ya nyeere ya bụ akwụ aka ọ
wee gbaa mmanụ. Ọ bụ di ya kpuchiere ogeri ọrụ ọ
gbara, mma ya apụta...

N'aka nke ọzọ ezinaụlọ Ọkịka na nwunye ya Uchenna bụ ezinaụlọ ebe a mụjụrụ ọtụtụ ụmụaka mana e nyeghị ha ezi ọzụzụ, nke a mere ha na-akpa ajọ agwa dị iche iche na-etinye ezinaụlọ n'ajọ ọnọdụ (Ihu 54)

**Ọkịka**: Nwa! A mụta amụta okwu, a mụtaghị amụta okwu.
A mụta nwoke okwu, a mụta nwaanyị okwu...

**Uchenna**: Nna anyị, ọ bụ gị na onye na-ekwu?

**Ọkịka**: Bịa nwaanyị ọjọọ a ikuku buru gị ebe ahụ. Ị jụọ
m ajụjụ ahụ ọzọ...ọ bụ agafụ ị mụjụrụ m ụlọ
na-achọ ime ka m nwee ọbara mgbali elu.
Ha na-achọ ime m ejetakwu...

**Nzipụta Esemokwu Ezinaụlọ**

Esemokwu ezinaụlọ na-abụkarị ụdị esemokwu na-adapụta n'etiti ndị bụ ụmụnne. Esemokwu ezinaụlọ adịghị mma n'ihi ajọ ọnọdụ ọ na-ebutere ezinaụlọ. Ọtụtụ mgbe nwanne inwere nwanne ya anya ụfụ nwere ike ibute esemokwu n'ezinaụlọ ha. Esemokwu ezinaụlọ na-ebutere nwanne ichere nwanne ya ajọ echiche. Oge ụfọdụ ọnọdụ tigbuo zọgbuo nwere ike ibute ọnwụ otu onye n'ime ụmụnne ndị nwere okwu. Esemokwu na-eme ka ezinaụlọ ghara ịdị n'otu dị ka ezinaụlọ. Ọ bụkwa nnukwu isi ọwụwa dịịrị ndị ụmụnna nakwa ndị obodo ezinaụlọ ahụ. Nke a bụ maka na ọtụtụ mgbe ọ bụ ndị ụmụnna na-ekpe ikpe e ji ekpesi esemokwu ezinaụlọ.

Site n'iji n'atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, e zipụtara esemokwu ezinaụlọ dị ka ihe nwere ike ịghasa ezi mmekọrịta dị n'etiti ụmụnne ma tinye ezinaụlọ n'ajọ ọnọdụ. Odee zipụtara na onye ọ bụla na-ebutere ezinaụlọ ya ịnọ n'ọnọdụ esemokwu na-anata ụgwọ dịịrị njọ ya. O doro anya na enweghị ihe e ji okwu na ụka eme, na ezinaụlọ nakwa n'ịzụgbe. Uru ọ bụla adịkwaghị n'esemokwu ezinaụlọ maka na onye na-esesa nwanne ya okwu, na-abụrụ onye gbaa aka n'ikpeazụ. Ọnọdụ esemokwu nwanne na nwanne bụ nke odee zipụtara n'ebe Obiora nọ, onye nke na-esesa nwanne ya nwaanyị bụ Ngọzi okwu n'ihi anya ukwu o nwere n'ebe akụnaụba Ngọzi dị nakwazị nkwenye ya na nwaanyị anaghị ebichi obi nna ya. Dị ka odee siri zipụta, esemokwu Obiọra na Ngọzi malitere mgbe Ngọzi kachịrị nti ga kute nwa n'ogige ebe a na-azụ ndị enweghị nne. Ha biri dị ka nne na nwa n'ụlọ ọ rụrụ. (Ihu 139)

**Obiọra**: Ngọzi, onye dị ihe a? Ya bụ na agwachaara m
gị okwu ị kachie nti mee ihe bụ uche gị
Akọwaara m gị na ụmụ m bụ ụmụ gị, gị were
anyị mere ihe masịrị gị mana ị nụghị ya ugbua,
gị bụ isi ekotala ebu. Mara amara na isi kote ebu
Ọ gbaa ya. Nwaanyị anaghị ebichi obi n'ala Igbo
Ị chọrọ ibichi obi ugbua. Ahụ ga-adịkwa gị ka
Onye na-ebichi obi.

**Ngọzi**: Obi, kedu ihe i jiri lechaa anya bịa be m inye m mkparị?
Kedu ihe m na gị na-azọ?
Ọ bụ nkwụ ka ọ bụ ụkwa? ... Ala ebe a m rụrụ ụlọ bụ
Ala m jiri ego zụọ. Nwa m kpọtara bụ nwa nwaanyị
Iji gosi gị n'ezịe na enweghị ebumnobi ọzọ karịa ka m
nwee onye ga-ele m anya ugbua m na-aka nka.
Ka otu ọnwa gasịrị, Obi bịaghachiri ọzọ na be Ngọzi (Ihu 146)

**Obiọra**: Ngọzi, ya bụ na ị ka hapụrụ nwa enwe a ebe a?
Ugbua, aga m eji aka m akpọpụ ya...

**Ngọzi**: Hapụrụ m nwa m...

**Ndị agbataobi**: Ọ bụ gịnị na-eme ebe a? Obi, ọ bụ
maka gịnị ka iji bịa na-aluso nwanne gị
ọgụ? Ọgụ gboo nụ... ụnụ anụkwala ọgụ
Ọzọ. Were nụ ụzọ ụdọ dozie ihe na-
esere ụnụ. Ọgụ adịghị mma. Ọ bụ
Udo ka mma.

**Obiọra**: Nke a bụ mbido! O nweghị ihe ị hụrụ.
Iwu bụ na Ị ga-akpọghachị enwe a ebe
i sị kpọta ya...

**Nzipụta Etu Obidiebube Siri Gbaa Ọnọdụ Ezinaụlọ n'Anwụ n'Ejije *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu***

A gbadoro ukwu n'akwụkwọ ejije a, nke e sitere na ya zipụta ọnọdụ ndị ahụ dị iche iche gbasara ezinaụlọ nakwazị ihe ndị dị iche iche na-emegasị n'ime ezinaụlọ ma ọ bụ n'etiti ezinaụlọ abụọ, nke nwere ike itinye ha n'ime otu ọnọdụ ma ọ bụ ọzọ. Odee zipụtara *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* dị ka enyo e ji hụta ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya, ọkachasị ezinaụlọ ebe a mụtaghị nwa nwoke. Odee zipụtakwara ụdị agwa dị iche iche ndị bụ otu ezinaụlọ na otu ụmụnna na-akpaso onwe ha, ọkachasị ndị nke chee na ha ka ibe ha mma. Odee zipụtakwaziri ịhụnanya dị ka ihe na-enyere ezinaụlọ aka ịgabiga ọnọdụ ọjọọ ọ bụla ha hụtara onwe ha na ya. Ọnọdụ ndị ahụ e zipụtara gụnyere:

**Ọnọdụ Ezinaụlọ n'Amụtaghị Nwa Nwoke**

Ịmụta nwa nwoke bụ ihe a kacha kpọ mkpa n'ihe gbasara ọmụmụ n'ala Igbo. N'ihi mkpa a kpọrọ nwa nwoke, mere o jiri buru naanị ụmụnwoke ka ha na-ekenye ekpe n'ala Igbo. Ezinaụlọ mụtara naanị ụmụnwaanyị n'enweghị nwa nwoke ọ bụla, bụ ezinaụlọ nọ n'ọnọdụ amụtaghị nwa nwoke. Ezinaụlọ n'amụtaghị nwa nwoke bụ nke a na-ahụta ka ezinaụlọ gbaa aka nwa, ọ burugodi na ha mụtara ọtụtụ ụmụnwaanyị. Ndị ajọ ụmụnna na-ahụta ha ka ezinaụlọ e kwesịghị ikenye oke ala ụmụnna n'ihi na e nweghị nwa nwoke a na-azọtara ala. Ọtụtụ oge ha na-anara onye ahụ oke ala ya kenye onye ọzọ. Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, e zipụtara nke a n'ejije a mgbe ụmụnna Chiadịkaobi weere oke ala ya nye Maazị Onyebuchi. (Ihu 44)

**Nweke**: ...Ị kwesịghị itinye ọnụ n'ala ọha n'ihi na o nweghị
nwa I ji. Ihe ị mụkọrọ be gị bụ akụ onye ọzọ. Ọ fọdụrụ
ntakịrị oge e bido refusibe ha. E rechaa ha, be gị
atọgbọrọ n'efu. Ụbọchị ọ bụla i kugboro ghara ikutuzi,
anyị abịa were mbara be gị mere ihe masịrị anyị.

**Izukamma**: Nweke! were ya nwayọọ. Ọ bụkwanụ nwanna
ya Idigo na ndị be ya nwe ngwuru be Chiadị.

Ọ bụghị ụmụnna niile. (*N'ikpeazụ, ha riri nri ma nụọkwa mmanya ha lutere. Ha nyekwara Onyebuchi oke ala Chiadị n'aha ụmụnna ka o were tinye okporo ụzọ ọ ga-esi buru ụgbọala ya na-aga*)

Odee zipụtara na e kwenyere na nwoke ka mma ebe nwaanyị bụ uru onye ọzọ. Ọ bụkwa nwaanyị lụrụ di mụtara nwa nwoke ka ha na-ahụta ka onye ụkwụ ruru ala. Odee zipụtara na, di na nwunye n'amutaghị nwa nwoke na-anata ọtụtụ mkparị n'aka ndị mmadụ. E kwenyere na nwaanyị dị etu a, enweghị àkwá nwoke n'afọ ya. A na-ahụtakwa ya dị ka onye di ya ga-alụkpo nwaanyị ọzọ. Ụfọdụ ndị lụtara ajọ di, bụkwa ndị di ha na-akpọ asị n'ihi amụtaghị nwa nwoke. Nwaanyị dị etu a bụkwa onye a na-ahụta ka nwaanyị n'enweghi mgbọrọgwụ na mbara di ya. Di nwaanyị ahụ n'akụkụ nke ya ga na-anata kwa mkparị n'aka ndị mmadụ, oge ụfọdụ n'aka ndị ụmụnna ya n'ihi na ọtụtụ ga na-ahụta ya dị ka onye ngwuru ya ga-agbachi nakwa onye aha ya ga-efu ma ọ nwụọ. Ọtụtụ mgbe nwoke ahụ anaghị enweta ugwu na oke ruuru ya n'etiti ụmụnna ya. Ngwuru nwoke ahụ bụ nke a na-atụ anya iwere ma ọ nwụọ. Ụfọdụ ga na-atụkwara ya aro ịlụta nwaanyị ọzọ, ga-amụtara ya nwa nwoke. Ọ bụrụ nwoke hụrụ nwunye ya n'anya ma jụụ ịlụta nwaanyị ọzọ a na-ahụta ya ka nwoke nwunye ya ji ọgwụ wee jide. Ihe ndị a niile na-egosi na ọnọdụ ezinaụlọ n'amutaghị nwa nwoke abụghị ọnọdụ ọma. Ọnọdụ ezinaụlọ dị etu a na-emetụta ma ndị ịkwụ na ibe ma ndị enyi ha. Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, odee zipụtara ya n'ejije a, site n'ihe ndị nne Nkechinyere bụ Ụdụakụ kwuru mgbe nwa ya nwaanyị mụtara nwa nwaanyị nke ise (Ihu 25)

**Ụdụakụ**: Nwa m, ihe m na-ekwu bụ na ọ bụ eziokwu na ị mụtara ụmụ ise, mana ha niile bụcha uru onye ọzọ. Ọ bụrụ na a chọọ di gị taa, a hụghị ya, ngwuru a ga-agbachi n'ihi na ọ dịghị onye nnọchi o nwere ….Achọghị m ikwulite okwu a oge ọ nọ ya n'ihi na nke a ga-abụ ịkpalite mmụọ mwute n'ime ya. O nwere ike bidozie lewe gị anya ọjọọ.

Odee gosipụtakwara ya n'ejije a site n'ihe ndị enyi nwaanyị Nkechinyere bụ Ọkụata gwara ya mgbe ọ mụrụ nwa nwaanyị nke ise (Ihu 33)

**Ọkụata**: N'ihi na a hụbeghị ihe a na-atụ anya ya Ka a mara ka a ga-esi kwọọ onye ukwu wara.
**Nkechi**: Gịnị bụ ihe ahụ?
**Ọkụata**: Ihe na-eme ka ụkwụ sie nwaanyị ike be di ya.
**Nkechi**: Ọkụ biko kpọọ okwu aha
**Ọkụata**: Nwa nwoke nụ...

Ezinaụlọ ịmụ naanị ụmụnwaanyị abụghị nke a na-agọ n'ọfọ, ya mere na, n'emume alụmalụ a na-agọrọ di na nwunye ọfọ, ọmụmụ nwoke na ọmụmụ nwaanyị. Ọnọdụ ezinaụlọ dị etu a na-aka njọ ma ọ bụrụ na di na nwunye anaghị akwado onwe ha. Mkpa ndị Igbo kpọrọ nwa nwoke mere e ji aba ụmụ nwoke ha aha dị ka; Obiechina na Ahamuefuna na aha ndị ọzọ. Mgbe ezinaụlọ na-achọ nwa nwoke mechara mụta ya, ka e ji abakarị aha ndị a.

Ihe ọma dị iche iche ndị si n'aka ụmụnwaanyị abịara ndị mụrụ ha nakwa obodo ha n'oge ugbua emeela ka e nwetu mgbanwe n'ajọ ọnọdụ a na-etinye ezinaụlọ n'amutaghị nwa nwoke. N'oge ugbua ụmụnwaanyị na-agụtazi ọnụ ha n'akwụkwọ, na-arụzi ụdị ọrụ dị iche iche e ji mara naanị ụmụnwoke mgbe ahụ, ụmụnwaanyị na-akpatazị nnukwu ego ma na-abara ezinaụlọ ha uru, na-edozi ezinaụlọ na obodo ha. Ihe ndị a akwụsịghị echiche e nwere gbasara nwa nwoke kama o mere ka ajọ ọnọdụ ezinaụlọ n'amụtaghị nwa nwoke belata, n'ihi na ụmụnwaanyị abụghịzị uru naanị onye ọzọ kama ha bụzị ihe ukwu. Ọ bụ naanị mgbe ha ka na-etolite ka ezinaụlọ ha na-anata mkparị amụghị nwa nwoke, mana mgbe nne na nna nabatara onyinye ụmụnwaanyị Chukwu nyere ha, wepụta obi, jiri ịhụnanya zụọ ha, ọnụ niile kwuru njọ ekwuo mma.

N'akwụkwọ ejije a; ọnọdụ ezinaụlọ n'amụtaghị nwa nwoke bụ nke odee zipụtara na ndụ Chiadịkaobi na nwunye ya bụ Nkechinyere ndị Ụmụezeigbo, ndị mụtara ụmụnwaanyị ise n'alụmalụ ha. Ọ bụ mgbe ha zụpụtara ụmụ ha nwaanyị mmadụ, ka ọnọdụ ezinaụlọ ha jiri gbanwe na nke ọma.

N'ezie ịmụta ụmụnwaanyị anya doro ka mma karịa ịmụjụ akaraogori ụmụnwoke. Di na nwunye hụrụ onwe ha n'anya ma nabata ụmụ Chukwu jiri gozie ha, n'egeghị nti n'okwu ndị ajọ mmadụ na-agwa ha, na-abụ ndi nwere mmeri n'ọnọdụ ezinaụlọ ha n'ikpeazụ. N'agbanyeghị ọnọdụ ezinaụlọ amụtaghị nwa nwoke na-anọ, odee zipụtara uru nwa nwaanyị bara n'ejije a, site n'agwa Nwaanyịbụihe, ọdụdụ nwa Chiadịkaobi na Nkechi, onye mechara bụrụ Dọkịta, rụọ ụlọ n'ezi nna ya ma mekwaziri obodo ya ihe e chere na ọ bụ naanị nwa nwoke nwere ike imere ha.

## Nzipụta Esemokwu Ezinaụlọ

Esemokwu ezinaụlọ bụ otu n'ime ọnọdụ ọjọọ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya. Ọnọdụ a bụ nke tigbuo zọgbuo, ịgba mba, ịkọ ọnụ, ịnụ ọgụ na ajọ akparamagwa ndị ọzọ na-adapụta n'etiti ndị bụ otu ezinaụlọ. Ndị kwe na ndị enweghị nwekwara ike ibute nke a n'ezinaụlọ, ntaji anya, nwanne ikpọ nwanne ya asị, azọmaala na ọtụtụ ihe ndị ọzọ nwere ike ibutere ezinaụlọ ịnọ n'ọnọdụ esemokwu. Esemokwu ezinaụlọ na-ewepu udo na ihunanya n'ezinaụlọ. Ọtụtụ mgbe ka esemokwu ezinaụlọ na-emetụta ndị ụmụnna na ndị obodo ezinaụlọ ahụ. Ọ na-emetụtakwa akparamaagwa ụmụaka ndị nọ na ezinaụlọ ahụ, maka na ọtụtụ mgbe ụmụaka na-amụta ịkọ ọnụ na ilu ọgụ site n'ihe ndị a hụrụ mere n'ezinaụlọ ha. Esemokwu ezinaụlọ abụghị ihe kwesiri ekwesi n'ihi ajọ mpụtara ya. Oge ụfọdụ ndị na-alụ ọgụ nwere ike imepụ onwe ha ọbara ma ọ bụ mebie ihe dị mkpa n'ezinaụlọ ahụ. Ọtụtụ mgbe ụmụaka si n'ụdị ezinaụlọ a pụta anaghị aba uru kama ha na-abụrụ nsogbụ dịịrị ọha na eze. Akparamagwa ọjọọ dị iche iche dị ka; ịnapụ mmadụ ihe ya n'ike nke a kpọrọ ịzụ ohi, ịgba akwụna, nakwa ibi ajọ ndụ ndị ọzọ na-abụkarị ụmụaka si n'ụdị ezinaụlọ a, na-akpakarị ha n'obodo. Naanị ihe ọghọm na-esite n'esemokwu ezinaụlọ apụta. Ọ bụ ndị nne na nna na-ebi ezigbo ndụ kwụ ọtọ ka ezinaụlọ ha na-adị n'udo na ihunanya. Esemokwu ezinaụlọ nwere ike ime na nwanne amaghị nwanne ya, nwanne ịkpọ nwanne ya asị nke na o nwere ike iwepụ ndụ nwanne ya n'ike.

Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ tụchaa ejije a, e zipụtara esemokwu ezinaụlọ n'ụzọ dị ukwuu n'ejije a, n'etiti ezinaụlọ Idigo na ezinaụlọ Chiadịkaobi. Ezinaụlọ Idigo ji n'ihi ọnọdụ amụtaghị nwa nwoke ezinaụlọ Chiadị, wee chọọ inwekọrọ ala ha. Ma na-emekpa ezinaụlọ Chiadị ahụ, na-echetara ha mgbe ọ bụla na Chiadị nwụọ na ngwụrụ ya a/bụrụ nke ha. Ihe ndị a butere ezinaụlọ abụọ a, ịnọ n'ọnọdụ esemokwu. (Ihu 45- 50)

**Idigo**: Chiadị! Chiadị!!! Chiadị ọ nọkwa n'ụlọ a?

**Chiadị**: Hei, dee Idigo, ọ dịkwa na mma?
Ana m aza gị, ị na-akpọ m n'ike n'ike.

**Nkechi**: Nna anyị Idigo nnọọ.

**Idigo**: Ee, jide ekele gị ahụ. Achọghị m ya n'ụtụtụ a
chaa chaa. Ị gaghị ejinwu ọgwụ gị jide m.
Abụghị m Chiadị i jigoro ọgwụ nara uche.
... Lee ka i weere ụmụnwaanyị mụchikọọ ebe
niile. A na-agwa ya lụọ nwaanyị ọzọ ka ọ mụtara ya
onye nnọchiteanya ọ dị ka mmiri a na-awụ n'okwute.
Ya dịbagodu n'ihi na nke ahụ abụghị ihe m kwooro
bịawa n'ụtụtụ a... Chiadị, onye sụchara ala a dị n'ụzọ
Nwangene?

**Chiadị**: Dee Idigo, kedụ ala nke ị na- ekwu maka ya?
Ọ ọ nke ube okpoko kwụ na ya?

**Idigo**: Mba, nke ube udele kwụ na ya.
Ala anyị ole dị n'ụzọ Nwangene?
Achọghịkwa m ịhụzị ụkwụ gị n'ala ahụ.

**Chiadị**: Dee Idigo, i jizikwa anya gị ekwu ihe a?
Ala ahụ bụnụ ala nna anyị Ọkpala nyere nne m....

**Idigo**: ... Na nchịkọta okwu m, sepu aka n'ala ahụ.

**Nkechi**: Nna anyị Idigo, mmegbu adịghịkwanụ mma... Anyị
aga-efe n'elu? Gịnị ka ị chọrọ ka anyị mee?

**Ọnụkwube**: Nkechi, kịtịkpa gbachie gị anya, gbachie gị ọnụ

ahụ i ji asịtọsị ihe niile juru gị ọnụ... Nwaanyị amusu. (*Ọ kpụdebe nso ebe Nkechi nọ na-atụ ya aka n'ihu na-asị*) Bịa ka mụ na gị kwube n'ihi na ọ bụ nwaanyị na ibe ya. Anụ bi n'ọhịa...Ọ bụrụ m bụ gị, agaghị m na-etinye ọnụ n'ihe gbasara ala n'ihi na o nweghị ebe m kwụ... Ọ bụ ụmụnwaanyị a ị mụchiri ebe niile ka ụnụ na-azọtara ala Ya doo gị anya na ụmụnwaanyị a ị mụrụ enweghị ihe nketa n'ala ndị be Ọkpalaezeagụ. Ala nna di m bụ ụmụ m ndị nwoke nwe ya. A chọọ di gị taa, ma a hụghị ya, o nweghị ebe ị kwụ....

**Nkechi**: Nne Akụbụike, ị na-ekwukwa ihe a, aka gị arụtụkwana m n'ahụ.

**Ọnụkwube**: Aka m rụtụ gị i mee gịnị? Ị ga- anyụ aṅụ? Ị nyụọ aṅụ, ọ gbakasịa gị ahụ. (*Ọ bụọ Nkechi asọ n'ihu)*. Tụfịa, ị na-esi isi Nkechi. *(Nkechi maburu Ọnụkwube tụọ n'ala na-esu ya ọkpọ ihu na azụ. Mgbe di ya bụ Idigo hụrụ ka ọnọdụ siri dị, ọ chọọ ka ọ gaa tinye aka zọpụta nwunye ya, ma Chiadị mabuuru ya*)

Odee zipụtara na ezinaụlọ Idigo bụ ndị e ji esemokwu wee maara, e nweghị ụmụaka ha ndị baara uru, e wezụga Eloka, onye juru iso nzọ ụkwụ ezinaụlọ ha. Esemokwu ezinaụlọ abụghị ezi ihe, n'ihi na a maghị isi ga-echi eze echi. Dị ka odee zipụtara n'ejije a, ọ bụ site n'aka nwa Chiadịkaobi ka ezinaụlọ Idigo siri nweta enyemaka n'ikpeazụ. Odee zipụtakwara egwu ikpe dị ka egwu a na-agụ n'ọnọdụ esemokwu (Ihu 49)

**Ọnụkwube**: A gbara aka azọ ala onye ji
ji ana-akọ
O reenụ n'omume nụọ, n'obodo o
A na-ekwu a na-eme ego
N'obodo, ndị egwu na-enye ekele,
N'obodo ooo.

**Nzipụta Ọzụzụ Ụmụaka n'Ọnọdụ Ezinaụlọ**

Ezinaụlọ a mụyere nwata nwere nnukwu ọrụ ọ ga-arụ n'ụdị mmadụ nwata ahụ ga-abụ. Ya bụ na ezinaụlọ dị ka gbụrụgbụrụ ebe nwata si amụta ọtụtụ ihe ndị o ji eto, ma nke ọma ma nke ọjọọ. Site n'ihe ndị ọ na-ahụgasị na-eme na ya bụ gbụrụgbụrụ. Ọ dị nnukwu mkpa na ndị nne na nna na-azụ ụmụaka, hụrụ na gbụrụgbụrụ ebe a na-azụ ụmụaka ha, bụ nke a hazịrị ahazị ma bụrụ nke na-akwado ezi ọzụzụ ụmụaka. Ọ bụ ezinaụlọ dị mma na-azụpụta ụmụaka dị mma. Ọtụtụ mgbe, ọ bụ ụmụaka ndị nne na nna ha enyeghị ezi ọzụzụ n'ime ezinaụlọ ha, na-akpagasị ụfọdụ agwa ọjọọ ndị anyị na-ahụta n'obodo taa, dị ka; ime aka ntụtụ, ilu ọgụ, ịgba akwụna na ndị ọzọ. Ụdị akparamaagwa ndị nne na nna na-akpa n'ime ezinaụlọ ha bụkwa nnukwu ụzọ e si enye ụmụaka ha ọzụzụ. Ndị nne na nna nwekwara ike izụlite ezigbo ụmụaka site n'ịgbazịrị nwata nakwa ịta nwata ahụhụ kwesiri mgbe o jehiere ụzọ. Ezigbo ụmụaka na-abụrụ ihe ọma na ihe ọṅụ nyere ezinaụlọ ha, ebe ajọ ụmụaka ndị n'enweghị ezi ọzụzụ na-enwetara ezinaụlọ ha ihe ihere na ihe anya mmiri, nke a bụkwa ihe doro onye ọ bụla anya. Ndị nne na nna idinyere ụmụaka mgbe ha mere ajọ omume abụghị ihunanya kama ọ bụ ajọ omume ka ha na-akwado. N'ihi na ọ bụ aka na-eme ihe ka ọ dị mma, ịzụpụta ezi ụmụaka n'obodo bụ ọrụ kacha dịịrị ezinaụlọ. Ezinaụlọ ebe ụmụaka nwere ezi ọzụzụ bụ ezinaụlọ ga-enweta ezigbo mgbanwe n'ọnọdụ ha n'ọdiniihu. Ebe ezinaụlọ ụmụaka ha n'enweghị ezi ọzụzụ bụ nke na-anọgide n'ọnọdụ ọjọọ ọ nọ na ya n'enwetaghị ezi mgbanwe. Ụmụaka n'enweghị ezi ọzụzụ na-abụkarị nnụkwụ nsogbu nyere ezinaụlọ nakwa obodo ha. Site n'iji atụtụ usoro ezinaụlọ

tụchaa ejije a, odee zipụtara ya na ndụ ụmụaka Idigo na Ọnụkwube. Akụbụike na ụmụnne ya, bụ ndị e ji ịkpa ajọ akparamaagwa dị iche iche maara, n'ihi enweghị ezi ọzụzụ.

Ezi ọzụzụ nwata nwere na-apụta ihe n'ụdị agwa ọ na-akpa n'ime onwe ya ma n'iro. Ọ bụkwa nwata a zụrụ azụ nwere ike ịgbanwe ọnọdụ ezinaụlọ ya. Ezi ọzụzụ na-egbochi nwata isonye n'ajọ otu, mee ka ọ na-etinyekwazị uchu n'akwụkwọ ọ na-agụ ma gụta ya ihe. Ọ bụghị ịmụjụ ụmụaka n'ezinaụlọ ka mkpa kama ọ bụ inye ha ezi ọzụzụ tosiri ka ha nweta. Ezi ọzụzụ ụmụaka bụ ihe dị nnukwu mkpa ma n'ihu Chukwu ma n'ihu mmadụ, n'agbanyeghị ma nwata ahụ ọ bụ nwoke ka ọ bụ nwaanyị. Nwaanyị e nyere ezi ọzụzụ nwere ike ịlụta ezigbo di ma bụrụkwa odogwu dị na nwaanyị. Odee zipụtara ya, n'agwa Nwaanyịbụihe, nwa nwaanyị Chiadịkaobi na Nkechinyere. O doro anya na ọtụtụ uru dị n'inye ụmụaka ezi ọzụzụ ebe uru ọ bụla adịghị n'enyeghị ụmụaka ezi ọzụzụ. Ya bụ na, ụdị ọzụzụ ụmụaka nwere, nwere ọnọdụ ọ na-etinye ezinaụlọ na ya.

## Nzipụta Ọnọdụ Udo na Ịhụnanya nke Ezinaụlọ

Ezinaụlọ ịnọ n'ọnọdụ udo n'etiti onwe ha dị mkpa. Ọ pụtaghị na enwebeghị esemokwu n'etiti ha, kama na ha nabatara arịrịo na mgbaghara n'etiti ha. Ọnọdụ udo na ịhụnanya n'ezinaụlọ bụ ezigbo ọnọdụ ezinaụlọ. Ọ bụ ọnọdụ a na-agọta n'ọfọ. Udo n'ezinaụlọ na-eweta ịhụnanya, uto, agamụnihụ, nwanne ịmara nwanne ya ma nyere ya aka na mgbe mkpa. Ọnọdụ udo na ịhụnanya n'ezinaụlọ bụ mgbe e nweghị ndị na-akọ ibe ha ọnụ ma ọ bụ na-agwa ibe ha ajọ okwu. E nweghị ndị na-alụso ibe ha ọgụ ma ọ bụ, anara ibe ha ihe ha n'ike. Ọnọdụ udo na ịhụnanya bụ mgbe onye ọ bụla nabatara nwanne ya, n'agbanyeghị ndịiche ha nwere. Ọ bụ ọnọdụ onye mejọọ nwanne ya, rịọ mgbaghara, nwanne ya agbaghara ya. Ọ bụkwazị mgbe di na nwunye na-akwado onwe ha n'ọzụzụ ụmụaka ha na n'ọrụ ezinaụlọ. Udo ịdị n'ezinaụlọ bụkwa udo ịdị n'obodo. Nke a mere na, ọtụtụ ụmụnna na ọtụtụ otu ụmụnwaanyị nọ n'obodo, bụ ndị na-enye aka ikpezi esemokwu dị n'ezinaụlọ mee ka udo chịa, ma na-enye ndị butere esemokwu ezinaụlọ ntaramahụhụ maka na esemokwu megidere iwu ha n'obodo. O doro anya na udo ka mma n'ụwa maka na e nweghị ebe e ji esemokwu eje. Oge ụfọdụ, ọnọdụ ọjọọ ezinaụlọ hụtara onwe ha, ga-eme ka ha chọọ udo, ka ihe wee dịịrị ha mma. Odee gosipụtara ezinaụlọ abụọ a; ezinaụlọ Idigo na ezinaụlọ Chiadịkaobi, dị ka ndị nọ n'ọnọdụ esemokwu. Mana oge ezinaụlọ Idigo hụrụ na o nweghị uru dị n'esemokwu, ha rịọrọ ezinaụlọ Chiadị mgbaghara maka ihe ọjọọ niile ha mere ha. Site ụbọchị ahụ, udo na ịhụnanya wee dị n'etiti ezinaụlọ abụọ ndị a. Ezinaụlọ Idigo wee bụrụzia ndị na-erita uru n'aka ezinaụlọ Chiadịkaobi. (Ihu 167-169)

**Idigo**: *(Sekpuru ala n'ihu Chiadị na nwunye ya)* Nwanna a,
biko kwe ka ihe niile bere n'abalị bụrụ anwụnta.
Oriakụ m, biko gbagharanụ m n'ụzọ ọbụla m siri
mejọọ ụnụ.

**Ọnụkwube**: (*Daa n'ala na-arịọ sị*) Nna m ukwu Chiadị, biko
gbaghara m n'akaje niile m mere gị n'ihi
amụtaghị nwa nwoke. Ị hụlanụ na onye bu
ụzọ ekperela azụ. Ewezụga gị na
ezinaụlọ gị, mụ na di m kaara ịgba aka
nwa, n'agbanyeghị na anyị mụjụrụ ụlọ.
Anyị akaraghị ịhụ onye ga-ekpodo anyị aja
ma anyị nọchaa bula akwụkwọ. (*Ọ tụgharịa
n'ebe Nwaanyịbụihe nọ sị ya)* Dọkịta Bụihe
nwa m, egbutuo m. Ị bụ dimkpa nwaanyị!
Odogwu! Nwaanyị ka nwoke! Chineke
gọzie gị. Biko nụ ọ bụrụ na o nwere
enyemaka ụnụ ga-enyere anyị ime ka Eloka
nyere anyị aka n'ihe gbasara ihe oriri, nyere
nụ anyị n'ihi na agụụ na-atọpụ anyị ọgọdọ.
Kwashịọkọ na-achọkwa ịnara anyị nwa ahụ
Ọbịị mụrụ.

**Nwaanyịbụihe**: Ọ bụrụ na Ọbịageli lọta ebe ọ gara, gwa ya

na m chọrọ ịhụ ya. Eloka nwanne m bụ ụnụ mụrụ ya. Ọ gaghị echefu ụnụ.

**Ọnụkwube**: O o, i meela.

**Nkechi**: *(Banye ebe ọ dọjuru ihe oriri dị iche iche bupụtawa ihe. Ọ sị Ọnụkwube)* Nne Ọbịị, lee nri ndị a bụrụ gaa siere ụmụaka. Ihe ndị a bụ ihe ndị ọgọ m bukọtaara m n'ụka nne gara aga.

**Idigo Ọnụkwube**: Biko, ụnụ emeela. (*Ezinaụlọ abụọ a wee mee udo ma birizie ka ụmụnna*).

**Ihe Ndị a Chọpụtara**

A chọpụtara na odee zipụtara ọnọdụ abụọ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya nke gụnyere ọnọdụ ọjọọ ma ọ bụ ọnọdụ ọma. A chọputakwaziri ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ha, bụ ndị a na-ahụta dịka ọnọdụ ọjọọ dịịrị ezinaụlọ ahụ, ọnọdụ dị ka; ọnọdụ amụtaghị nwa, ọnọdụ enweghị nwa nwoke n'ezinaụlọ, ọnọdụ esemokwu na ajọọ ọnọdụ ndị ọzọ. Ọnọdụ enweghị nwa nwoke n'ezinaụlọ bụ nke a na-ahụta dị ka ọnọdụ ọjọọ n'ihi nkwenye na ezinaụlọ mụtara naanị ụmụnwaanyị gbaa aka nwa maka na nwaanyị bụ uru onye ọzọ. Nchọpụta ọzọ e mere bụ na enyeghị ụmụaka a mụtara n'ezinaụlọ ezi ọzụzụ kwesiri, so na nnukwu ihe nwere ike itinye ezinaụlọ n'ajọ ọnọdụ, ajọ akparamaagwa dị iche iche nke gụnyere ịkọ ọnụ, ịlụ ọgụ, ime aka ntụtụ, ịgba akwụna na ndị ọzọ bụ ndị ha ga na-ezipụta maka enweghị ezi ọzụzụ. Ọzọ, a chọpụtara na ụdị ndụ ndị nne na nna na-ebi nakwa akparamaagwa ha, na-emetụta ọzụzụ a na-azụ ụmụaka ha n'ihi na ụmụaka bụ ndị na-eṅomi ihe ndị a hụtara na-emegasị na gbụrụgbụrụ ha nke ezinaụlọ so na ya. A chọpụtara na ụdị ọnọdụ ezinaụlọ nọ na ya nwere ike imetụta ndị ụmụnna ha nakwa obodo ha, maka na ọ bụ ezinaụlọ dị mma ụmụnna na obodo adị mma. Ezinaụlọ ebe a na-akpa ajọ akparamaagwa na-abụ nsogbụ dịịrị obodo ezinaụlọ ahụ dị na ya. Site n'etu Obidiebube siri zipụta, a chọpụtara na ọtụtụ ọnọdụ ndị ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya bụ ndị a na-ahụta dịka ọnọdụ ọjọọ. E nweela ụzọ dị iche iche eji eso ha iji nweta mgbanwe. A chọpụtara n'ime akwụkwọ ndị a họọrọ na enweela ọtụtụ ezi mgbanwe bataraala n'ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya nakwa etu e si ahụta ezinaụlọ nọ n'ụdị ọnọdụ ahụ. A chọpụtara na udo n'ezinaụlọ apụtaghị na enwebeghị esemokwu kama na ọ bụ na ezinaụlọ ahụ nabatara mgbaghara onwe ha ma kpebie ka udo na ịhụnanya chịa n'etiti ha. A chọpụtara na enweghị ọnọdụ ọ bụla ezinaụlọ nọ na ya na-adịgịde. Nkwudosi ike na ịhụnanya n'etiti di na nwunye na-enye aka ịgabiga ajọ ọnọdụ ọ bụla ezinaụlọ nọ na ya. A chọpụtakwaziri na nwa nwaanyị e chere na ọ bụ uru onye ọzọ nwere ike ịgbanwe ọnọdụ ezinaụlọ mụrụ ya nakwa obodo ya.

**Mmechi**

Ihe niile nwere mbido nwere njedebe. Isiokwu a gbadoro ụkwụ mee ọrụ nchọcha a, bụ nke a kpọrọ "Nzipụta Ọnọdụ Ezinaụlọ; Ntụcha Ejije Obidiebube Ndị A Họọrọ". Ebe mgbado ụkwụ ọrụ nchọcha a bụ n'ejije *Ọnọdụ Ugo* nakwa ejije *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* nke Obidiebube, bụ ndị e si na ha zipụta ọtụtụ ọnọdụ ndị ahụ ezinaụlọ nwere ike ịnọ na ya nakwa nkwenye gbasara ọnọdụ ndị ahụ. Site n'ịgbado ụkwụ n'ihe odee gosiri n'ejije ya, e zipụtara na ezinaụlọ ọ bụla nwere ọnọdụ o nwere ike ịnọ na ya n'otu oge ma ọ bụ ọzọ, ma nke ọma ma nke ọjọọ. Nke a bụ maka na e nweghị onye ụwa tọọrọ ute. Ọnọdụ ezinaụlọ bụkwa nke nwere ike ịgbanwe ma ọ bụrụ na ndị ezinaụlọ ahụ mee ihe ndị ha kwesịrị ime iji gbanwe ya bụ ọnọdụ, dịka ọ dị n'etiti ezinaụlọ Chiadi na Nkechinyere na ezinaụlọ Amaka na Okonkwo.

Nchọcha a gosiri n'ezie na e nwere ọtụtụ ọnọdụ na-apụta ihe n'ezinaụlọ nke a na-esite na ha amata ezinaụlọ ọ bụla. Ọ bụ ọnọdụ ndị na-egosi ka ndị mebere ya si wube ezinaụlọ ha. Obidiebube gbalịrị izipụta ọnọdụ ndị ahụ dị iche iche na etu agwa ndị o zipụtara siri gabiga ha iji gosi na ezinaụlọ ọ bụla nwere ihe ha na-agabiga.

## Edensibịa

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo)*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Anụnwa, C.T. (2005). Nzipụta Ọnọdụ Ụmụnwaanyị n'Agụmagụ Ejije Igbo. Deere Ngalaba Amụmamụ Afrịka Na Asia Nke Mahadum Nnamdi Azikiwe Ọka, Iji Mezu Nchọrọ Nnweta Digrii B, A. Unpublished

Arthur, P. (1953). *Survey of African Marriage*. London: Oxford University Press.

Beckerman, B. (1970) *Dynamics of Drama: Theory and Method of Analysis*. New York: Aired A Knolf.

Bowen (1950). *Family System Theory*: www.thebowen center.org

Burgess, E.W. na Locke, H.J. (2015). *Family*. Https://portal.abuad.edu.ng/assignment/1511615300THE-FAMILY.pdf.

Dobie, A.B. (2012) *Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism.* Boston, USA: Wadsworth.

Duru, T. (2014). *Standard Literature -in-English*. Owerri: Standard Publishers.

Ekwealor, C.C. (1998). *Omenala na Ewumewu Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.

Elliot & Merril (2019). *The Fact Factor*. Https://thefactfactor.com/tag/elliot and merril

Emenanjọ, E.N. (1981). *Igbo Maka Junịọ Sekọndịrị*. Ibadan: University Press

Emenyọnụ, E. (1978). *The Rise of The Igbo Novel*. Ibadan: Oxford University Press

Eze, P. C. (2004). *Sociology of The Family*. Enugu: John Jacobs Classic Publishers

Giddens, A. (2003). *Introduction to Sociology*. London: Norton New York.

Hall, M.C. (1981). *The Bowen Family Theory and Its Uses*. New York: Jason Aronson

Ifeagwazi, P. & Okafọ, C. (2006). *Nka Edemede Igbo*. Onitsha: Mid-field Publishers

Ifeka, O. (2009). *Mkpanaaka Asụsụ Igbo Izugbe*. Top Shelve Publishers.

Igiligi, B. & Ogenyi, S. (2002). *Literature for Enjoyment: An Introduction to Nature, Genres and Theories of Literature*. Enugu: Computer Edge Publishers

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M.C. (2009). *Mmalite Ọmụmụ na Nghọta Ejije Igbo*. Enugu: CIDJAP Press.

Ikwubuzo, I. (2011). The Family and The Igbo Novel. *Lwati: A Journal of Contemporary Research*. Volume 8, Issue 4

Isidienu, I.C. (2015). The Family as The Bedrock of Igbo Traditional Society. *Journal of Modern European Languages and Literatures*. Volume 4.

Madu, C. (1992). *Secret of a Happy and Successful Marriage*. Enugu: Liz Press Services

Mbah, E.M & Mbah, E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. University of Nigeria, Nsukka.

Mberede , I. ( 2020) Literature Towards Security and Freedom In a Functional Democracy. In *Journal of The Literati Philosophia* 6 (2):22-31

Nsolibe, O. (2011). *Uju Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Perfect Image.

Nwadigo, R.C. (2021). Nzipụta Ọchịchị Ọdịnala Igbo n'Ụfọdụ Iduụazị Na Ejije Ederede. Deere Ngalaba Amụmamụ Igbo Afrịka na Eshia, Fakọti Keaatị nke Mahadum Nnamdi Azikiwe Ọka. Iji Mezu Ihe Á Chọrọ Tupu E Nye Nzere M.A. Unpublished.

Nwadike, I.U. (1981). *Ntọala na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Ihiala: Edo Gratias Publishers.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunaanya Publishers

Nwokoye, A.N. (2019). *Abụ Ikpe: Ngwaọrụ Na-Agbazi Usoro Obibi Ndụ*. Onitsha: Noben Press.

Nwokoye, N; Ogbuagụ, O; Okafọ, S.O; Udechukwu, G.I; Nnyigide, M.N; Ọgwudile, C.E; Isidienu, I.C; Obiakalusie, E.C; Ugochukwu, C.N; Ikechukwu, D.I (2013) *Ntọala Ọmụmụ Asụsụ Igbo Maka Ndị Nọ N'ụlọakwụkwọ Ukwu.Enugu*: Smart Printing & Publishing Company

Obiadi, A. (2001). Marriage Among the Igbo of Nigeria. Unpublished Seminar Paper, University of Ilorin, Kwara State.

Obidiebube, J.I. (2015). *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu*. Anambra: Galaxy Prints.

Obidiebube, J.I. (2018). *Ọnọdụ Ugo*. Onitsha: Lincel Publishers.

Ọfọmata, C.E. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo*. Enugwu: Format Publishers.
Ọfọmata, C.E. (2012). *Omenala na Ọdịnala Ndị Igbo*. Enugu: Format Publishers.
Okafọ, J.N. (2004) Ejije. N'ime J.I Obidiebube, C.J. Anidobe and C.C. Ezealor (odz.) *Amụmamụ Ozurumba Igbo* (Ihu 8-17). N/P: Homer & Hammer Ltd
Okafo, U.C. & Ewelukwa, U. (2012) *Nhazi Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị na Kọleji WASSCE, NECO, GCE na JAMB*. Onitsha: A.C. Global Publishing Co.(Nig).
Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Igbo*. Enugu: SNAAP Press
Okoli, L.A. (2005). *Ntọala Asụsụ na Agụmagụ Ederede Igbo*. Enugu: Fidgina Global Books.
Olekaibe, C.C. (2021). Akwụdosighịike nke Alụmalụ: Ọnya Mmagbu nye Ezinaụlọ. *Na Ekwe Jọnal Ndị Igbo Scholars Forum, Nigeria*. Vol 14, No.1.
Ọnụọra, J.C. (1985). *Usoro Ọmụmụ Igbo Maka Sịnịọ Sekọndịrị*. Onitsha: Patmonic Printers & Publishers Ltd
Ọnwụatuegwu, I.N. (2020). The Notion of Family in Igbo African Society: A Philosophical Appraisal. *European Journal of Philosophy Culture and Religion*. Vol 4, Issue 1
Onyekaọnwụ, G.O. (2015). Akwụkwọ Ihe Ọmụmụ. Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi, Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.
Osuagwu, B.I.N. (1979). *Ndị Igbo na Omenala Ha*. Owerri: Macmillan Nigeria Publishers.
Ubesie, T.U. (2010). *Ọdịnala Ndị Igbo*. Ibadan: Oxford University Press.
Udechukwu, G.I. (2016) Iwulite Obodo Site n'Ezi Ọzụzụ Ụmụaka Na Ndị Ntorobịa. *Ujah; Unizik Journal of Arts and Humanities,* Vol 17, Issue 2, Ihu 120: 132.
Udechukwu, G.I. Ogbuagụ, J.O. & Nnyigide, N.M. (2015). *Ọmụmụ Agụmagụ Na Omenala Igbo*. Enugu: Format Publishers Nig Ltd
Ụzọchukwu, S. (1990). *Akanka Na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers Ltd.
Ụzọchukwu, S. (2008). *Akanka Na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers Nig. Ltd.